EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

a. N'ikpeazụ, a chịkọtara nka niile Ubesie webatara n'iduuazị ya isii ndị a họọrọ ma mee nseke ha. A tapịkwara ha n'ụdị ịma ma ọ ga-adaba n'ihe ndị ọgụụ hụrụ n'ọrụ Ubesie ka ọchọcha siri hụ ya.

## 4 Ntụcha iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*

### 4.1 Nchịkọta akụkọ

Ịduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru* gbadoro ụkwụ n'otu ndị isi aba okpu kpọrọ onwe ha ndị odogwu. Ndị otu a bụ ndị isi aba okpu ekwenyeghi n'iwu obodo. Ha achọghị ka iwu obodo gbochie ha ihe ọ bụla ha chọrọ ime. Ha siri n'ọchịchị obodo Ifite-Ameke kewapụ onwe ha ma nwee usoro ọchịchị na obodo nke ha, ha kpọrọ Ifite-Ukwu. Agbanyeghi na ha gwuzobere nke a (obodo na usoro ọchịchị nke ha), o jughi ha afọ; nke mere na ha lachitere azụ kwatuo eze na-achị Ifite-Ameke bụ Obi Udeaja. Ha mere Obi Okoye onye ndu agbanyeghi ma ọ masịrị ndị obodo ma ọ masịghị ha. Obi adịghị ndị obodo mma. Ọchịchị ha, jiri nsogbu kwara ngwa ọrụ. Kwa mgbe ka Maazị Obijiọfọ ji adọ ha aka na ntị banyere agwa ọjọọ na ọchịchị nchịgbu e ji mara ha. Ọ chịkọtara okwu ndụmọdụ ya n'ilu a "ọchọ ihe ukwu aghaghị ịhụ agba enyi". O nweghi ụdị arụ ha anaghị akpa. Ndị amakekwo a ekweghi Maazị Obijiọfọ na ndị ezi na ụlọ ya zuo ike. Mgbe ọ bụla ha bara ya na ezi na ụlọ ya ọgụ, ọ na-emeri ha. E mechara, ọ gbalaa obodo ọzọ maka ndụ ya na nke ezi na ụlọ ya. E gburu ya n'ọhịa nta dị n'obodo ahụ ọ gbagara ọsọ ndụ n'ihi anụghị ndụmodụ ụmụ ya. Ụmụ Obijiọfọ busoro ndị odogwu agha n'ụdị ịbọ ọbọ. Ụmụ Obijiọfọ mechara lọta ụlọ ma rụwa ọrụ dịịrị ha n'ihi na onye nna ya zọtara ala okwute anaghị ajụ ya. Agha dara n'etiti ha na ndị Ụmụikenga n'ihi na ndị odogwu tọọrọ ụmụ ha. Tupu agha adaa, Obijiọfọ bịakwutere ụmụ ya na mmụọ ma nye ha iwu ka ha si n'obodo ahụ gbapụ. Ha gbapụrụ, e bibie obodo ahụ.

### 4.1 Isi okwu

Ubesie na-eji ihe na-emegasị n'oge ugbu a eme isi okwu iduuazị ya; dị ka ihe ndị isi-aba-okpu na-enupu isi n'ọchịchị obodo, ndị ntọrị na ndị omekome ji egbe ezu na-ebute n'ọgbọrọgbọdọ na ka ndị mmụọ, mmadụ na obodo si agbarụ ihu n'ajọ omume ha ka o zipụtara na *Ụkpana Okpoko Buuru*.

### 4.2 Ndịnisi okwu

N'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*, ndịnisi okwu pụtara ihe bụ izu ohi n'etiti ndị agamevu, kpebiri nnọọ ka ha tụgharịa ma gbakwụta ụzọ dị mma, ndị obodo kwekọrịtara ha si ebi ndụ, azụ ma webata ma gwuzobe nke ọjọọ. Ndị Igbo sị na onye ekotaghị, ọgọdọ ya ekotara ya. Otu a ka Ifite-Amake siri hụ ya. Nke a ka Ubesie zipụtara site n'agwa ndị a na-akpọ 'ndị odogwu'.

N'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*, Ubesie anabataghị ụdị akparamagwa a, nke ọ na-enwe mmasị na ya. E leghi anya, ọ bụ ya mere o jiri gbaa n'anwụ ebe ha nwetara ụgwọ ọrụ ha n'ụdị ịbụ ndị e kpochapụrụ kpam kpam n'elu ụwa. A hụrụ ebe 'ihe' meriri 'ọchịchịrị' nakwa ebe ikpe nkwụmọtọ na ihe ọma nọ ihe ọjọọ n'elu?.

Ihe ọjọọ ka e ji akwụ ụgwọ ihe ọjọọ ma jikwazịrị ihe ọma akwụ ụgwọ ihe ọma. Ya bụ, ije dị mma, a gaa ya nga naabọ. Ụmụ Obijiọfọ bụ ndị ikwu na ibe ha, tinyere agbụrụ ha niile, ka ndị Ụmụarọ na-anabata mgbe ọ bụla ha chọrọ ịbata na be ha. Lee ndịnisi okwu a n'uju:

### 4.2.1 Izu ohi:

Ndịnisi okwu a jupụtara n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*. Ọ bụ ya bụ isi sekpụ ntị n'esemokwu na ọgba aghara e nwere n'iduuazị a. Otu ndị mmadụ nwere ike ịdị otu ụzọ n'ime narị e kere ụzọ atọ ma a bịa n'ọnụ ọgụ ndị Ifite-Amaeke, gụrụ onwe ha 'ndị odogwu'. Ndị mejupụtara otu a bụcha ndị ohi. Ihe a ka ndị obodo bidobere ha jiri mara ha. Ndị otu a kwadoro nke ọma n'ihi na ha na-echi onye otu ha ọ bụla gara ohi ugboro asaa ma lọta n'enweghi nsogbu ọ bụla echichi a na-akpọ, 'Ekwueme'. Ọtụtụ mgbe, ọtụtụ n'ime ha na-anwụ ma ha gaa ohi mana nke a emeghi ka ha kwusị izu ohi. Ka oriri Nnekeeji na-akpụdewe nso, Maazị Okoli hapụrụ ụlọ ya gawa Ụmụafa izu ohi atụrụ maka oriri ahụ.

Ọ gwara nwunye ya na ya na-aga na nke enyi ya nwoke. O mekwara ka ọ mara na ya ga-arahụ. Mbọ niile nwunye ya gbara ịmata onye ahụ bụ enyi di ya amịtaghị mkpụrụ n'ihi na di ya mere ka ọ mara na ọ gaghị ama onye ahụ. Lee ka Ubesie siri kọwapụta nke a.

> Nwunye ya amaghị na ọ bụ ohi atụrụ ka ọ na-eje nke ha ga-eji mee oriri Nnekeeji na-abịanụ. Nke a abụghị mbụ nke o ji abụ nke abụọ. Ọ dịghị n'oriri o jeghi na be ndị enyi ya. O jechaa, ọ kpụghị atụrụ, ọ kpụrụ ewu lọta. …. Ugbu a ka o were mmadụ niile anya otu o si egota ewu na atụrụ ndị ọzọ! Ugbu a, o jeela nke a, e jee buta ozu ya ebuta ! (*Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 2)

Maazị Obijiọfọ, otu onye na ndị Ifite-Amaeke jiri biri, na-eche uche banyere agwa ọjọọ ndị Odogwu na-akpa nakwa ajọ aha ụdị agwa ahụ na-ebutere ndị be ha; n'ezi okwu, obi adịghị ya ọcha. Ọ gakwuru eze ha bụ Obi Udeaja gwa ya uche ya ma dọọ ya aka na ntị ka ọ mara ihe o mere banyere ọnọdụ ahụ, tupu na ihe emebie. Lee ahịrị ndị a sitere n'olu Maazị Obijiọfọ.

> Onye chọrọ igbo ọgụ, buru ụzọ gbowe ịrụ aka. Ndị be anyị ji ohi eme odogwu ugbu a. Ọ dịla mmadụ abụọ e bulatara maka ohi. Ugbu a Okoli emeela ha onye nke atọ! Ndị Ụmụafa kọwa akụkọ ohi na be ha, ha akpọwa Ifite-Amaeke. Ndị Amangwu kọwa akụkọ ohi na be ha, ha akpọwa Ifite-Amaeke… (*Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 3) .

Ihe kacha njọ banyere ohi a ndị odogwu na-ezu bụ na ha na-echi ndị ohi echichi site n'ugboro olee onye, gara ohi ma e jideghi ya. Ya bụ, na ha na-eto ma ohi ma onye na-ezu ya. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a.

> Ezekwe agazuola ohi ugboro asaa n'obodo ọzọ. O ruola ka a ga-echi ya 'Ekwueme'. Ugwu ndị odogwu na-akwanyere onye jere ohi lọta, na-aka nke ha na-akwanyere onye jere agha asaa lọta, maka na onye lụrụ agha asaa abụghị sọ ya so jee agha, ma onye e chiri 'Ekwueme' bụ onye a na-ewere na ọ bụ onye jere oke agha naanị ya jiri isi ya lọta. (*Ụkpana Okpoko Buuru,* ihu 12)

E nweghi mgbagha ma ndịnisi okwu a, ọ ka dị ire n'oge ugbu a n'ala Igbo, n'ihi na kwa ụbọchị ka a na-anụ maka ndị o ji egbe ezu, ndị ji mkpịsị odee ezuru ego gọvmenti n'ụzọ dị iche iche, nke ndị ịntaneti (nke na-aga n'ikuku) d.g.

### 4.2.2 Agha na ọgba aghara:

Agha na ọgba aghara dị n'ụzọ dị iche iche, n'etiti ndị Ụmụarọ na ndị agbata obi ha dị ka Ụmụafa, Agangwu na Ụmụarọ n'otu aka na ndị odogwu (Ifite-ukwu) na Ifite-Amaeke n'aka nke ọzọ. N'ikpeazụ, ndị odogwu sitere Ifite-Amaeke n'agbanyeghi na ha na-azazị Ifite-ukwu na ndị Ụmụ ikenga. Ndị odogwu mechara tọrọ otu onye ndị Ụmụikenga jiri biri a kpọrọ Kasie; nwa Mgbafọ, onye liri ụmụ ya isii ọ fọ naanị Kasie. N'akụkụ ndị odogwu na obodo ndị a kpọro aha, ndị odogwu mere ha arụ n'ụdi ịdị na-ebukọrọ ihe niile ha nwere kwa ụbọchị. Lee ka Ubesie siri zipụta ya.

> Ndị odogwu bidoro mewe emebeghi! Obodo nile na-ezitara Obi Udeaja ozi, na-asị ya na ndị obodo ya bụ Ifite-Amaeke agbawala ha aka. Ihe a na-eche ya uche, na-emekwa ya ihere, ma ihere ọ na-eme ya erughi ka uche ọ na-eche ya maka na ndị odogwu na-eje ugbu a, ha akwadoo ka ọ bụ agha ka ha na-eje; ndị gbaa ha egbe, ha agbagwara. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu7)

Ụfọmba, otu onye n'ime ndị odogwu gara ohi n'Ụmụafa, a gbaa ya egbe n'ụkwụ. Ọ lọtara Ifite-Amaeke na-egosi na ọ bụ agwọ tara ya; ndị obodo wee kwere. N'ụtụtụ echi ya, onye isi arụsi Ọgba, ya bụ onye na-agbara Ọgba afa, bịara maara ndị obodo ọkwa na Ọgba sịrị na o teela ya bidoro na-agbọ ụja, ma oge ịta ata eruola. Ka chi foro, agwọ bara na be Ụfọmba, tagbuo ya. Ka ọ gatara ụbọchị ahịa anọ, agwọ tagburu nwunye Ụfọmba, ihe dị ka otu ọnwa agwọ tagbuchara mmadụ niile nọ n'ụlọ Ụfọmba. N'ihi nke a, Obi Udeaja nyere ndị obodo niile ha na Ifite-Amaeke gbara agbata obi iwu na ha jide onye ohi ọ bụla sitere Ifite-Amaeke na be ha, ka ha bulatara ya ha, ka ọ kwụọ ụgwọ arụ ọ kpara. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a.

> Nke a ka a nọ n'elu ya, ndị Agangwu kpụrụ Maazị Ike lọta. Ha boro ya atụrụ abụọ ọ kụgburu n'isi, na-apịa ya ụtarị, na-akwa ya aka. N'ime ụmụ nne ya, onye hụrụ ka a kpụ ya na-abịa, ọ hapụ ebe ọ nọ gbalaa be ya. Obi Udeaja nyere iwu ka a kpụrụ Maazị Ike jee chụọrọ Ọgba aja. (*Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 8)

Ndịnisi okwu a ka e nwere ike ịsị na ọ ka dị ire ruo ta a, n'ihi na a na-ahụ ndị kpara arụ dị iche iche, a na-esi n'ofesi gbaara ụgbọ nwa mkpị ruo obodo ha, ka ha taa ahụhụ maka arụ ha kpara. Na mmekọta mba na ibe ha, ha na-enyere onwe ha aka site n'ihe a na-akpọ (interpole) bụ ụzọ ha si enyefe ndị kpara arụ n'aka ndị ga-ata ha ahụhụ dị ka o kwesịrị.

### 4.2.3 Ntọrị:

Odee zipụtara ndịnisi okwu a n'ebe ndị odogwu tọọrọ ada Jideọfọ n'ụzọ, mgbe ọ na-ewela ite mmanya e jiri gba nkwụ ya dị ka omenala siri kwado. Lee ka odee siri zịpụta ya.

> Ndị mmadụ na-abịara ada Maazị Jideọfọ di. Nwoke ahụ bịara ya di, dị nwa agbọghọ ahụ mma. Mgbe ha lawara, ada Jideọfọ jewere ka o selaa ite mmanya, aka wee kpara ya. Ọ bụ ndị ahụ Maazị Jideọfọ na Maazị Obiọra tụnyeere nna ha na mmiri ka agụ iyi rie ya, tọọrọ nwa agbọghọ ahụ. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 36)

Ndịnisi okwu a ka dị ire, n'ihi na ụzọ niile ndị njem si eme njem n'ala anyị jupụtara na ntọrị; nke mere na ndị njem a, na-achị obi n'aka mgbe ọ bụla ha nọ n'ije. Ndị Ụmụarọ Jideọfọ kpọrọ oriri

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

maka aka ha nyeere ya na ndị ezi na ụlọ ya mgbe ha gbalara ọsọ ndụ na be ha, ka ndị odogwu tọọrọ n'ụzọ. N'agbanyeghi na Jideọfọ na Obiọra nwa nne ya mechara gaa n'ahịa ohu ebe e regara ha, gbata ha n'ụdị nzụghachi. Lee ka odee siri zipụta nke a:

> …Mgbe ha chịliri, ndị ahụ were eriri kere ụgbọ ha kedo na nke ha, kpụrụ ha bilie. Mgbe ha ruru n'ahịa ohu, e ree ha. Ebe ahụ ka ha nọ na-eche ka ụgbọ ga-ebu ha bịa, mgbe Maazị Jideọfọ ji bịa. Ndị nke ọzọ kọkwara ka e si kpụrụ ha jee n'ahịa ọzọ, ebe Maazị Obiọra nọ kwụghachi ndị zụụrụ ha ụgwọ. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 47)

Ndị dogwu tọrọ ụmụ Jideọfọ nwaanyị abụọ n'ụzọ ụtụtụ n'otu ụbọchị ha nọ n'ụzọ na-aga ahịa. A zọpụtara otu, ebe nke ọzọ ka e gburu. Lee ka Ubesie siri zipụta nke a.

> Ebe Jideọfọ na-akwado iri ihe abali, ọgọ ya nwoke na-alụ otu ada ya batara. Jideọfọ jụrụ ya ma ọ dịkwa mma, o bido kọwara ya ihe ya bịara; nwunye nwoke ahụ (nwa Jideọfọ) na nwa nne ya nke a na-alụ ebe ọzọ (nwa Jideọfọ) jewere ahịa n'ụtụtụ, ma ruo ugbu a, ha abụọ enweghi onye lọtara. O teela ndị mmadụ ji mewe Jideọfọ ihe. Ọ maara na ọ bụ ndị odogwu tọọrọ ụmụ ya. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 49)

Otu ndịnisi okwu a pụtakwara ihe mgbe ndị odogwu tọrọ Kasie ma jiri akpụkpọ ahụ ya kwee 'edere' ha. Ọ bụ ntọ, a tọọrọ Kasie butere ọgụ n'etiti Ifite-Amaeke na ndị Ụmụikenga. Lee ka odee siri zipụta ya:

> Kasie wee chịlie aka abụọ elu, kporopụta anya ka oke a kụrụ isi n'ala chọọ ka o tie mkpu, ma aka Meenihu ji ya n'akpịrị ekweghi ya megharịa ahụ. Mmadụ abụọ ndị ọzọ bịara kee ya eriri n'aka abụọ, kefee ya n'azụ, were osisi gbanye ya n'eze ka ọ ghara iti mkpu, kpụrụ ya lawa Ifite-Amaeke. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 63)

Agwa ọjọọ a bụ ntọrị ekweghi ala ala, n'ihi na o werela ọnọdụ n'ala anyị ta a, n'ihi na ụfọdụ na-atọ mmadụ maka ego, ụfọdụ maka orire, ụfọdụ maka iji chụ aja d.g.

**4.2.4 Igbu ọchụ:**

Nkwafu ọbara karịrị n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*. Nke a butere ịla ọtụtụ ndụ mmadụ n'iyi n'etiti ndị kwe na ndị ekweghi. Nke dị ka ọ ka njọ bụ nke dị n'etiti ndị odogwu na ezi na ụlọ Maazị Obijiọfọ. Nke a bụ ezi okwu n'ihi na e chere na ọnwụ Obijiọfọ ga-eweta ịkwafu ọbara n'isi njedebe. Ma mgbe ọ nwụrụ, nke bụ ọgụ wee bido n'etiti ndị odogwu na ụmụ ya. E leghi anya, ọ bụ maka na ezi na ụlọ Obijiọfọ kwụ n'ezi okwu ma na-agwa ndị odogwu nke a n'ihu n'ihu. Ịkwafu ọbara nọgidere bido n'oge nke Obijiọfọ onye nke nyefere ụmụ ya, ezi agwa ya na ikpe nkwụmọtọ. Jideọfọ na Obiọra ndị e nwere ike ịhụta ka Ikenna ma ọ bụ ome ka nna ha. Ọchụ ndị a gburu karịrị, nke a na-egbu ma mba na ibe ya na-alụ ọgụ. N'ọgụ mbụ dị n'etiti Maazị Obijiọfọ na ndị odogwu, Ubesie siri otu a zipụta ya:

> Ihe ha dị bụ mmadụ asatọ ma mgbe 'odogwu ọzara' meghere ọnụ, mmadụ abụọ dara n'ala. Onye nke abụọ chọrọ ka o sepụta isi, Jideọfọ mịịrị mma ya bepụ ya isi, ka e bepụrụ ihe ure. ..mgbe ọ wụrụ, n'ikuku ka ọ nọ mgbe Jideọfọ machapụrụ ụkwụ ya. Ka ọ dara, ọ maghị ka ọ ga-esi gbawa ọsọ, o wee rịọwa ka e meere ya ebere, ma

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

> Jideọfọ ji nwayọọ bie ya ka ọkazị ma ọ bụ ọkwụrụ. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 24)

Ebe ọzọ ọchụ pụtara ihe bụ ogbugbu e gburu ada Jideọfọ n'ụzọ ka ọ na-alọta ikwu nne ya. Lee ka Ubesie siri kọwaa ya:

> Otu nwa ya nwanyị gara ikwunne ya, na-alọta ndị odogwu gbuo ya para ozu ya dochie ụzọ'. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 40).

Ọ bụ ogbugbu e gburu ada Jideọfọ butere ịbọrọ ụgwọ n'ụdị ịmụ ebe obibi abụọ ndị ezi na ụlọ hụrụ maka ọnwụ nwa nwaanyị Jideọfọ ọkụ, nke ihe niile na-eku ume n'ezi na ụlọ ahụ nwụrụ kpam kpam. Lee ka odee siri kọwaa ya:

> Ha mụụrụ ọkụ mụnye n'ụlọ abụọ ahụ, chebiri n'ọnụ ụzọ. Mgbe ọkụ bidoro gbawa, nwoke ahụ jiiri ọsọ ka ọ gbapụta, obejiri Obiọra kelee ya, ọ dachiere ibe ya ụzọ. Nwunye ya bịara ka ọ gbapụta kpọkụrụ onye dachiri ụzọ, daa nke ya, Obiọra mee ya ka a na-eme ibe ya. Nwoke ahụ mụrụ ọtụtụ ụmụ, ma ka ha na-enuputa, obejiri Obiọra ana-arị na-arịda; ha na-anwụ n'usoro ha si apụta. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 42)

Ịbọ ọbọ a, akụzighị ndị odogwu ihe ma ọlị, n'ihi na ha gara n'ihu n'ajọ agwa ha. Ha tọọrọ ụmụ Jideọfọ nwaanyị abụọ n'ụzọ, ebe ha na-aga ire ha n'ahịa ohu, ha hụrụ Jideọfọ na ọgọ ya nwoke ka ha na-achọ ụmụ ya nwaanyị. Ka ndị ọzọ gbawara ọsọ, otu onye mịpụtara obejiri ya gbuo otu n'ime ụmụ Jideọfọ ahụ. Lee ka Ubesie siri kọwaa ya:

> Mgbe ha hụrụ Jideọfọ ka ọ na-abịa, otu n'ime ndị odogwu ahụ mịịrị opịo ya gbuo otu nwa Jideọfọ, tupu ọ gbawa ọsọ. *( Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu *49)*

Ebe ọzọ ndịnisi okwu a pụtara ihe bụ mgbe ndị odogwu na-achọ akpụkpọ mmadụ, ha ga-eji kwe abịa ha. Lee ka Ubesie siri zipụta ya:

> Tupu ọ mara ihe ga-eme, otu onye n'ime ndị otu ya esila n'ọhịa wụpụta ka o jide Kasie, ma Kasie mịịrị mma ya mee ka isi ya na olu ya tọgbọrọ n'otu akụkụ ụzọ, ma ahụ ya nọrọ nke ya iche na-agba kịtịkịtị ka ọkụkọ egbughi nke ọma. … Kasie gburu mmadụ anọ gbujie otu onye aka ekpe tupu a nwụde ya. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 63)

Ebe ọzọ ọchụ pụtakwara ihe bụ mgbe ndị odogwu mechara n'ikpeazụ gbuo Kasie. Lee arịrị Kasie, n'ebe nne ya nọ; mgbe ha tinyere ya mma n'akpịrị, ihe pụrụ ya n'ọnụ bụ 'Chukwu Ụkpabị kasie nne m obi'. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 68)

Igbu ọchụ ka dị ire n'ụwa n'ihi na a na-anụ igbu ọchụ n'ebe dị iche iche, ịma atụ; ogbugbu ndị Ụkọchukwu, onye isi ndị otu jikọrọ ndị Ụkọchukwu n'ụwa na ndị ọzọ enweghi ihe ha mere nke ekpemekpe, ọchịchị, ebe onye si, otu onye so na ya d.g. Igbu ọchụ n'ụlọ akwụkwọ dị n'ala anyị gbaa gburu gburu n'etiti ndị otu nzuzo bụcha ịma atụ ndịnisi okwu a.

#### 4.2.5 Omekome/Ajọ otu:

Mgbe ndị Agangwu bulatara Maazị Ike n'Ifite-Amaeke maka ohi ewu o zuru, eze Obi Udeaja nyere iwu ka e were ya chụọrọ Ọgba aja. E mere ka ọ kpọọ aha ndị niile ya na ha so ezu ohi. O mere nke a site n'ikpọ aha ndị otu ya. Obi Udeaja nyere iwu ka a chọwa ndị ahụ a kpọrọ aha. Ndị otu a, a kpọrọ ndị odogwu hapụrụ obodo ha ma gaa n'ime ọhịa biri. Ebe ahụ ka ha si na-aga ebe ha na-akpa ike. Tụlee ahịrị ndị a na-esote:

> Ha jere n'ihe agụ be ha, sụọ ala n'akụkụ oke ọhịa, biri ebe ahụ, wee si ebe ahụ na-elebara ndị ọbụla anya. (*Ụkpana Okpoko Buuru*, Ihu 9)

Jideọfọ na Obiọra mere otu ihe ahụ mgbe ha kwụrụ ndị odogwu ụgwọ dị ka njọ ha siri dị. Lee ka odee siri zipụta ya:

> Mgbe ha wepuchara ihe ha niile, ha jere n'ọhịa biri, ebenebe wee bido kwewere ikuku egwu. Anyasị ọ bụla, ha esughi ụlọ otu onye odogwu ọkụ, ha atọrọ otu n'ime ha gbuo. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 50)

Ndịnisi okwu a ka e nwere ike ịhụta site n'ụzọ na n'akparamagwa ndị omekome n'ala anyị gbaa gburu gburu. Nke ka njọ bụ ndị Fulani nọ n'ajọ ọhịa niile e nwere n'ala anyị ebe ha na-esi abịa awakpo, atọrọ, egbu nakwa ama ụmụ nwaanyị elu n'ike d.g.

#### 4.2.6 Ịgba ohu:

Ndịnisi okwu a pụtara ugboro ugboro n'iduuazị *Ụkpana okpoko Buuru* malite na ndị Jideọfọ kpọrọ oku bụ ndị sitere Ụmụarọ, ndị odogwu tọọrọ ma refuo n'ohu. E mechara, Jideọfọ na nwa nne ya Obiọra gaa, zụghachi ha azụ n'aka nna ha ukwu ma dulata ha. Lee usoro okwu a:

> Mgbe ha chiliri, ndị ahụ were eriri kere ụgbọ ha kedo na nke ha, kpụrụ ha bilie. Mgbe ha ruru n'ahịa ohu, e ree ha'. (*Ụkpana okpoko Buuru,* ihu 47)

Nke abụọ bụ, ụmụ Jideọfọ nwaanyị abụọ, mgbe ha na-aga ire ha, Jideọfọ na ọgọ ya hụrụ ha, ha gbuo otu hapụrụ ya otu. Lee usoro okwu a na-esote:

> Mgbe ọgọ ya bịara, Jideọfọ na Obiọra na ọgọ ya wee malite njem. Ha jere chebiri n'ụzọ ndị be ha si eje ere ohu. (*Ụkpana okpoko Buuru,* ihu 49).

Mgbafọ ka ndị odogwu gwara ka ọ kpọtara ha ohu wee gbara nwa ya nwoke bụ Kasie, onye nke ha ji. ọ bụ ezi okwu na Mgbafọ mere dị ka ndị odogwu gwara ya ma ha naara ya ohu ahụ ma kachie ntị gbuo Kasie. Lee usoro okwu a:

> Mgbe ọ jụrụ ha ihe ọ ga-eweta, ha sị ya na ọ ga-akpụtara ha ohu wee gbara isi nwa ya. (*Ụkpana okpoko Buuru,* ihu 67)

N'ụwa gbaa gburu gburu, e nwere ọtụtụ ebe a na-ere ndị mmadụ. Wezụga nke a, a na-akwụ ụgwọ ka ndị mmadụ gaa jitere ha ụmụ aka n'ụdị orire ma ọ bụkwanụ ọzụzụ.

EJLLS www.ejlls.com ISSN: 3141-3935 (Online); 3141-3943 (Print)

**4.2.7 Ume nwa:**

Ndịnisi okwu a metụtara Mgbafọ na di ya, onye a kpọghị aha ya n'duuazị a. Dị ka Ubesie siri dee, ọ mụrụ ụmụ isii ma kpochie ise aja, ọ fọdụrụ ya naanị Kasie. Nna Kasie were ndụ ya nye, ma Kasie dịrị, mana n'ikpeazụ, Kasie nwụrụ n'aka ndị ajọ obi, ọra ọbara bụ ndị odogwu. Ihe mere bụ na n'ikpeazụ, Mgbafọ were ndụ nke ya nye n'ụdị ịbọrọ ọbọ nye ndị odogwu maka ịkpachara anya nara ya ihe niile o jiri dịrị ndụ, tinyere otu nwa ya nke dị ndụ n'ime ụmụ isii ọ mụrụ. Lee ka Ubesie siri hazie ya:

> Nne ya mụrụ ụmụ isii, ma kpochie ise aja. Mgbe ọ mụrụ nke isii, aha o nyere ya bụ Chidubem, ma ọ bụ ezi okwu na nwatakịrị ahụ tochara nke ọma, ihe mere ibe ya mechara mee ya. Akụ niile ya na di ya kpara gara n'ihe gbasara ume ọmụmụ na-eme Mgbafọ. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 59). Di Mgbafọ jere n'ihu arụsị, were onwe ya kwe nkwa na ọ bụrụ na chi ya enye ya onye ga-anọchi ya ma ya nwụọ, chi ya were ndụ ya. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 60)

O teghi aka di Mgbafọ ṅụchara iyi, site n'iji ndụ ya, maka inweta nwa nwoke ga-anọchị anya ya, Mgbafọ amụọ nwa nwoke ọ bara Kasiemobi. Nwa a bụ Kasie di ya nyere ndụ ya maka ya, ka ndị odogwu mechara gbuo n'anya ọcha. Ndịnisi okwu a ka dị ire ma na-agba anya mmiri n'ihi na ọtụtụ ezi na ụlọ nọ n'ọnọdụ a ruo ta a. Ọnọdụ a ebutela alụkwaghịm n'etiti ọtụtụ di na nwunye, ịgbakwu ndị ụka ekpere dị iche iche, e jiri wayo mara, ịzụrụ na ịchụfụ ụmụ agbọghọ, n'ụdị iburu ụmụ nwaanyị akpa nwa ha esighizi ike, afọ ime (sorogacy) d.g.

**4.2.8 Igba ndụ:**

Ndịnisi okwu a pụtara ihe na mkpezi Jideọfọ na nwa nne ya Obiọra na ndị odogwu. Dị ka a narị ekwu, ihe niile dị n'ụwa nwere oge: oge mbido na oge nkwụsị. Mgbe o were ndị odogwu anya na ọ bụrụ na ha achịlighi aka elu ma chọwa udo n'ebe ezi na ụlọ Jideọfọ na nwanne ya nọ, na akụkọ gbasara ezi na ụlọ ha aghaghị ịbụ akụkọ mgbe ochie, ha mere ngwa ngwa gakwuru Ezekwe ka o nyere ha aka rịọ ndị ezi na ụlọ Jideọfọ ka ha kwụsị ọgụ ma bịa maka ikpe udo. Ezekwe mere dị ka a rịọrọ ya. Ezi na ụlọ Jideọfọ kwere ma nye ọnọdụ dị iche iche. Ndị odogwu mezuru ihe ndị a niile e nyere ka ọnọdụ, tinyere ịgba ndụ nke ọbara n'etiti ndị odogwu na ezi na ụlọ Jideọfọ. Lee ka Ubesie siri dee ya.

> Mgbe e wetara ọjị, ndị odogwu na ụmụ Obijiọfọ were otu ibe otu ibe jide n'aka, were mma ghepụchaa onwe ha ahụ. Onye bịa, ọ ṅụọ iyi sị na ya agaghị ahụ ihe ga-eme ibe ya ghara ikwu, ma ọ bụ soro kpaa aro ka a ga-esi megide onye ọzọ. Onye kwuchaa, o were ibe ọjị nke ya sute n'ọbara ndị ọzọ taa. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 52)

Ndịnisi okwu a dị ire ma na-apụta ihe n'etiti ndị Igbo na omenala ha. Nke a na-apụtakarị ihe n'etiti ezi na ụlọ na-ese okwu, di na nwunye, nwunye di na nwunye di ibe ha , ụmụ nne okwu ala na-esere. Mgbe ụfọdụ, ndị nwoke na ndị enyi ha nwaanyị na-emekwa nke a, ka ọdị mma ha kwụrụ chịm. Ọ na-apụtakwa ihe n'etiti nna ukwu na nwa na-amụ ahịa n'aka ya n'ụdị ime ka ntụkwasị obi dị ire ma see elu.

### 4.2.9 Ịhụnanya:

Ndịnisi okwu ọzọ odee zipụtara n'iduuazị a bụ ịhunanya. Nke a pụtara ihe na mmekọrịta dị n'etiti Jideọfọ na Obiọra. Kemgbe a mụrụ ha, ha akọbeghi ọnụ. Ha topụtara, lụọ nwaanyị, mụọ ụmụ ma ha enwegbeghi nghọtahie. Ha na-ekwekọrịta n'aro ọ bụla dị mma n'agbenyeghi onye tụrụ ya. Anya ọ bụla Jideọfọ tabiiri nwa nne ya Obiọra, ọ na-aghọta n'otu ntabi anya. N'otu aka ahụ, Jideọfọ ma Obiọra na-aghọta onwe ha. Lee ka Ubesie siri kọwaa ya:

> Jideọfọ gwara nwanne ya na ihe ha ga-eme bụ ibu ụzọ gbujie mmadụ abụọ n'ime ha aka, tupu ha abụọ ejekwu onye nke atọ. …Anya nkịtị Jideọfọ tabiere Obiọra, aka ha abụọ see ka amụma; aka mmadụ abụọ chịsara n'ala. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 31).

N'ihu 35, Ubesie kọwara ka ụmụ nne abụọ a si eleta onwe ha nakwa ezi na ụlọ ha anya. N'ebe a, otu gaa ahịa, nke ọzọ anọrọ n'ụlọ. Nke a ka ha na-eme n'ụdị onye jee ibe ya ejee. Lee ka Ubesie siri dee ya:

> Ụmụnne abụọ a na-akpachapụrụ onwe ha na ezi na ụlọ ha anya. Maazị Jideọfọ jewe ahịa, Maazị Obiọra anọrọ n'ụlọ. Maazị Obiọra jewe ahịa, Maazị Jideọfọ anọrọ n'ụlọ na-ele anya maka na ọkụkọ chị ụmụ adịghị arahụ n'elu osisi. ( *Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 35)

Ka ụbọchị ruru maka ịṅụ iyi n'ihi ohi e boro Jideọfọ na Obiọra nwa nne ya, odee kọwara ụdị nghọta ha nwere n'etiti onwe ha n'otu aka na nghọta dị n'etiti ezi na ụlọ ha n'aka nke ọzọ. Nke a mere na Jideọfọ ṅụrụ iyi, n'aha ya, n'aha nwa nne ya na n'aha ezi na ụlọ ha niile. Lee ka Ubesie siri dee ya:

> Mgbe e butere iyi, Maazị Jideọfọ wee bido ṅụwa iyi sị, 'ọ buru na ọ bụ m zuru ohi a, ma ọ bụ nwa nne m nwoke, ma ọ bụ ụmụ nwa nne m nwoke, ma ọ bụ ọ bụrụ na nna anyị emetụla ihe mmadụ aka mgbe ọ nọ ndụ, ọnwụ kpochapụ ezi na ụlọ anyị niile. (*Ụkpana Okpoko Buuru*, ihu 37)

## 5 Nchịkọta

Nchọcha a wepụtara ọtụtụ ndịnisi okwu pụtara ihe n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*. nke Tony Ubesie. Ọ gakwara n'ihu gosi ebe odee webatara ha na ihe mere o jiri mee nke ahụ.

Nchọcha a gosipụtara ebe ndịnisi okwu ndị a batara na ihe Tony Ubesie bu n'uche webata ha.

A chọpụtakwara na ọ hịara ahụ odee agụmagụ ọzọ ịkọpịrị kpọm kwẹm ndịnisi okwu ya na ụzọ ngọrị ngọ ahụ o si achọ agụmagụ ya mma dị ka ọnatara chi onye. Ka o si eji asụsụ ezipụta ekereuche ya mere ya odee agumagụ ndị mmadụ na-atajiri anya nke odee ndị ọzọ enweghi, e leghi anya ọ bụrụ ya mere ndị ọgụụ ji enwe mmasị n'iduuazị ya.

A chọpụtara na agwa agụmagụ ya na-akwụpụta, yie ezi okwu, dị ndụ ma bụrụ mmenụwa. Ịma atụ, n'iduuazị *Ụkpana Okpoko Buuru*, omume Maazị Obijiọfọ mere mgbe ya na ụmụ ya na-aga ọhia ịchụ nta site n'itinye ukpoo n'ime mmiri nke jitere azụ ọ kpụbatara n'ime ụgbọ ma bụrụ nke ọ

